# NDỤ NA MAHADUM N'AGỤMAGỤ IGBO A HỌỌRỌ

**Chisom Nneamaka Okafor**

08065708268
nsomsom@yahoo.com
Ngalaba Lingwistiks/Asụsụ Igbo
Mahadum Chukwuemeka Odumegwu Ojukwu
Ịgbarịịam
Steeti Anambara, Naịjirịa

## Ụmịedemede

Ụmụ akwụkwọ na ndị nkuzi ụfọdụ nọ na mahadum na-ebi ndụ etu o si masị ha. Nke a mere na ụdị mpụ a na-ahụ na mahadum na-agba anya mmiri. Ọ bụ nke a kpaliri mmụọ odee ịhọrọ isiokwu a iji lebaaanya na ụfọdụajọ ndụ na ezigbo ndụ a na-ebi na mahadum. Ajọ ndụ a ga-eleba anya bụ onye nkuzi ịkwasa nwata akwụkwọ iko, ọ kachasị nwata akwụkwọ nwaanyị makainye ya akara ruru ya ma ọ bụ nke erughi ya, otu nzuzo na mpụ ule. Ezi ndụa ga-eleba anya bụ nwata akwụkwọ nwaanyị ịlụta ezigbo di n'ihi ezi agwa ya.Agụmagụ ndị a họọrọmaka nchọcha a bụ;*Okwe Agbaala* na *Adaeze*. Ngwaọrụ edemede a bụ agụmagụ ndị a na edemede ndị ọzọ metụtara isiokwu a. Nchọcha a ga-agbalị ịchọpụta ụzọ kacha mma e nwere ike isi belata ajọ ndụ a na-ebi na mahadum, kwado ezi ndụ a na-ebi ma mekwaa ka mahadum bụrụkwa ebe ọ ga-abụ e jee, a nụchaa mmụọ mmadụ anụcha. A gbasoro usoro nkọwa wee mee nchọcha a. Atụtụ e ji mee nchọcha a bụ atụtụ ezi agwa miri emi nke na-ekwu na tupu mmadụ emee ihe, ya tụlee mara ma ihe ahụ ọ na-achọ ime, ọ bụ nke ga-abara ọtụtụ mmadụ uru. A chọpụtara na n'agbanyeghị na ọ bụ eziokwu na ndị nkuzi mahadum ụfọdụ na-akpa agwa ọjọọ ndị a a rụtụrụ aka,mgbe ụfọdụ, ọ bụ ụmụ akwụkwọ ụmụ nwaanyị ụfọdụ na-eji aka ha jekwuru onye nkuzi, ma nke a bụ n'ihi na onye nkuzi ahụ adịla na mbụ kputuo ugwu ya n'ala. A tụrụ alo ka gọọmentị wepụta iwu ga-emegide ndị na-etinye aka n'ụdị arụrụala a ma gbaa mbọ hụ na iwu ndị ahụ e wepụtara bara n'ọrụ. Ọzọ bụ ka e nwee nkwado a ga na-akwado ndị kpara ma bie ezigbo ndụ n'ụlọ akwụkwọ iji wulie mmụọ ha ka ha mere gaa n'ihu nakwa iji kuziere ndị na-ebi ajọ ndụ na ezi ndụ na-akwụ ụgwọ dị mma. E bu n'obi na nchọcha a ga-eme ka ndị nkuzi mahadum kwụsiri ike n'ọrụ ha mara na ọ bụrụgodị na ha jụrụ ịkpaso ụmụ akwụkwọ ha agwa ezighị ezi, nwata akwụkwọ nwere ike ịkpaso ha agwa ezighị ezi, n'ihi nke a, ha chekwaa onwe ha.Ụmụ akwụkwọ ga-esitekwa na nchọcha a mara na ajọ ndụ mahadum enweghị ebe o du mmadụ aga, kama, ọ laa onye ahụ n'iyi.

## Mmalite

Mahadum bụ otu ebe onye ntorobia ọbụla bu n'obi ịga. Ọ bụ otu n'ime usoro ntobiga onye ntorobia ọbụla chọrọ ịgabiga. Onyibe (2008:56) kwuru na ụdị ndụ ọtụtụ ụmụ akwụkwọ na-ebi na mahadum abụghị ụdị ndụ ha na-ebi na be nne na nna ha. Ihe kachasi mkpa a na-eme na mahadum bụ ịgụ akwụkwọ. Ụfọdụụmụ akwụkwọ na-eme omume ka ndị a zụrụ nke ọma ma ha nọrọ be ha, mana ozugbo ha lọtara n'ụlọakwụkwọ, omume ha agbanwee. Nke a gosiri na ụmụakwụkwọ dị otu a ma na ihe ha na-eme adịghị mma. Nne na nna ụfọdụ na-ere ala wee zụọ nwa ha maọbụ ụmụ ha na mahadum, ebe ụfọdụ na-ebiri mmadụ ego wee zụọ nwa ha niihina ha nwere olile anya na nwata ahụ ga-enweta ezigbo ọrụ mgbe ọ gụchara akwụkwọ na mahadum. Mana, oge ụfọdụ, obi ụtọ ụmụ akwụkwọ na-enwe na ha nọ mahadum anaghị ekwe ka ha wetuo ahụ ala gụọ akwụkwọ ha. Ifeka (2010:62) sị;

Mahadum!

Ị na-egbu ka mmanya elu foro chi

Onye doo anya o nweta ezi ihe

Onye legharịwa anya

Ihe ga-akpọpụ ya uche juru ebe niile

Ndị bịa ịgụ akwụkwọ

Ndị bịa ike ekike

Ndị bịa ịkpa ike

Ndị bịa ịgba akwụna

Ma nwoke ma nwaanyị

Nke onye chọrọ dị ya

Uru na ọghọm na nhatanha

Nzipụta a gosiri na mahadum bụ ebe ihe niile na ụdị mmadụ ọbụla nọ. N'ihi nke a, ọ ka mma ka nwata ọbụla na-abanye mahadum jiri n'oge kpebie ihe ọ chọrọ inweta na mahadum ma mara etu ka mma ọ ga-esi nweta ihe ahụ. Nke a ga-eme ka ọ mara ụdị ndị ya na ha ga na-anọkọ ma marakwa ụdị ndị ọ ga-agbara ọsọ. Nwata akwụkwọ kwesịkwara ịma na ọ bụ ya onwe ya ka ọ dị n'aka ịgba mbọ ka o wee nweta ezi nzere. Ọ bụ n'ihi nke a ka Ifeka (2010:62) ji dee;

Mahadum!

Nwata akwụkwọ achọghị ịma

Onye nkuzi achọghị ịma

Ọ gaghị ajụ ase nwa akwụkwọ anọghị

Onye ọbụla na-eme etu o si chọọ

Ma ọ bụ etu o si masị ya…

Onye mere etu ọ sọrọ ya.

N'ezie nwata akwụkwọ ọbụla nọ na mahadum kwesịrị ibu n'obi na nzite e zitere ya na mahadum bụ ka ọ kwadoo onwe ya nke ọma wee pụta zọwa onwe ya. Onye ọbụla lara ohere e nyere ya iji zọọ onwe ya n'iyi enweghị onye ọ ga-ata ụta. Ezinụụlọ ụfọdụ na-awọ onwe ha nri iji hụ na ụmụ ha gara mahadum. Nwata si n'ụdị ezinụụlọ a, kwesịrị ịgbado ụkwụ ya abụọ n'ala hụ na ya alaghị oge ya n'iyi. Ifeka (2010:63) gara n'ihu kwue;

Mahadum!

Cheta ebe i si bịa ịgụ akwụkwọ

Ka i were nzere mmụta dị mma

Chee ndị ụlọ gị n'ihu

N'ihi na anụ dabara olulu

Gburu onwe ya.

Ifeka na-akọwa na ihe kacha mkpa bụ nwata akwụkwọ icheta na o mechaa ihe niile ọ na-eme na mahadum, ezinụụlọ ya na-eche ya. N'ihi nke a ọ dị mkpa ka nwata akwụkwọ na-

echeta ezinụụlọ o si na ya pụta, mara ụdị agwa na ndị ọ ga-agbara ọsọ ka uche ya ghara ịpụ n'ihe o ji maka ya bịa mahadum. Okedịadị (2003:6) kwuru;

> Mahadum…
>
> Ihe ọjọọ akpaala nkata na mahadum alaa
>
> Ọtụtụ ndị nkuzi na-abanye aja n'ukwu
>
> Ọtụtụ ihe ọjọọ awakpola mahadum ala a
>
> O ji akwa awụ ahụ mara onwe ya
>
> Otu ụbọchị agwọ ga-agbọ ihe o loro…
>
> Ka anyị napụta mahadum anyị
>
> Pụọ n'aka mpụ na aghụghọ dị iche iche

O doola anya na ụfọdụ ndị nkuzi so enye aka ka ihe ọjọọ na-abawanye na mahadum. Ọ bụrụ na onye nkuzi rụọ ọrụ ya n'atụghị egwu n'ụdị ọbụla, ọ ga-enye aka belata mpụ na aghụghọ dị na mahadum niihina ọ bụ ndị nkuzi ka a hanyere ụmụ akwụkwọ n'aka. Ebumnobi nchọcha a bụ ka a chọpụta ihe na-ebute mpụ ndị a a kpọrọ aha na mahadum ma tụpụta ezigbo alo ga-eme ka o belata.

**Nnyocha agụmagụ**

N'ebe a ka a ga-atụle ụfọdụ ihe odee ndị ọzọ kwuru maka mpụ na-eme na mahadum. Nke a ga-enye aka wepụta ụzọ kacha mma a ga-esi depụta nchọcha a ka o wee webata echiche ọhụrụ nye echiche ndị odee ndị ọzọ. Dị ka e kwuru na mbụ, otu n'ime nnukwu ihe nwata ọbụla na-abanye mahadum ga-ebu n'obi bụ ịma ụdị ndị o kwesịrị imeta enyi. Nke a mere o ji dị mkpa na nwata akwụkwọ ọbụla nọ na mahadum kwesịrị ịkpachapụ anya na ndị o metara enyi. Imirikiti n'ime ezigbo agwa na ajọ agwa ụmụ akwụkwọ mahadum na-akpa bụ ihe ha mụtara n'aka ndị enyi ha. Ifeka (2010 :62) rụtụrụ aka na mkpa nwata akwụkwọ ịma onye ọ na-eme enyi na mahadum dị mgbe ọ sị;

> Mahadum!
>
> Ọhịa na-eri onye ejighị akọ
>
> Onye amaghị aka nri na aka ekpe ya
>
> Ga-efu dịka onye akwụkwọ njụjụ ọhịa jụrụ
>
> Ịmata ihe dum dị mkpa…
>
> N'ihi nke a onye nọ na mahadum
>
> Were ezi akọ na uche chedo onwe ya
>
> Maka na ewu na-eri ji sowe nke na-eri ede
>
> Ọ mụta riwe ede

Enyi a na-eme na mahadum dị mkpa n'ihi na ezigbo enyi na-ebu ụzọ gbata ọsọ enyemaka tupu nne na nna abịa. Ya ka o ji dị nnukwu mkpa na nwata akwụkwọ ma ndị ya na ha na-eso. Foo (2019:2) kwuru;

> Nwata akwụkwọ ọbụla chọrọ ịbara onwe
>
> Ya uru… kwesịrị iwepụ ụdị enyi atọ a na
>
> Ndụ ya… enyi a na-ahụ oge ule n'ihi na ọ

Bụ oge ahụ kacha ya mkpa… enyi na-ekpesa

Oke mkpesa … na enyi ga-enye gị iwu ị ga-

Edebe tupu ị bụrụ enyi ya.

E lee anya na ụdị ndị a a gụpụtara, a ga-ahụ na onye nwere ụdị ndị a na ndụ ya nọ ka onye bu ibu n'ihi na tupu onye ahụ emee ihe ọbụla, ọ ga-ebu ụzọ tụlee n'obi mara ma ihe ahụ ọ chọrọ ime ọ ga-adịkwa ndị enyi ya mma n'obi. Onye na-ebi ụdị ndụ a agaghị aga n'ihu nke o ji enweta ihe ọ chọrọ n'ihi na ọ na-ebi ndụ ya ka o meta ndị enyi ya mma. Foo (2019:3) gara n'ihu deena ndụ mahadum abụghị iji mee ka obi dị onye ọbụla mma kama ọ bụkarị itinye uche n'ebe ndị kwesịrị ka i tinye uchu.Ndụ mahadum abụghị ndọrọ ndọrọ onye a kacha mara. Ọ bụrụ na nwata akwụkwọ buru echiche dị otu a n'obi, ọ mara na ihe kacha mkpa bụ ịgbasi mbọ ike nweta ezigbo asambo.

Ụfọdụ ụmụ akwụkwọ ụmụ nwaanyị nọ na mahadum, na-ebi ndụ ha ka ha wee sonye n'ihe a na-eme na mahadum. Ụmụ akwụkwọ dị otu a anaghị enwe efe eleru onwe ha anya ịmata ihe ha ga-emere onwe ha. Ihe dị ha mkpa bụ ihe ha ga-eme ka ndị ọzọ sị na ha mere ihe dị egwu. Ọ bụ ụdị ndị a ka Foo gwara na ndụ mahadum abụghị iji mee ka obi dị onye ọbụla mma. Ụmụ nwaanyị dị otu a na-adanyekarị n'ọnya ndị nkuzi arụrụala. Ndị nkuzi na ụmụ akwụkwọ arụrụala na-eji ohere a akpaso ụmụ akwụkwọ ụmụ nwaanyị ajọ agwa. Ụfọdụ nwere ike isite n'ịma ụmụ akwụkwọ ụmụ nwaanyị njakịrị ekwesịghị ekwesị, rite obi ụmụ akwụkwọ dị otu a.N'ọnọdụ a ka Mezie-Okoye (2014:31) dere na mgbe onye nkuzi ma ọ bụ nwata akwụkwọ nwoke ji akụkụ ahụ nwata akwụkwọ nwaanyị maa ya njakịrị dị aṅaa, onye ahụ emegidela ikike nwata nwaanyị ahụ nwere dịka mmadụ. Nke a pụtara na o nwere akụkụ ahụ nwaanyị onye ọzọ ekwesịghị iji gwusa ya egwu. Nwoke ekwesịghịkwa iji akụkụ ahụ ndị a gwusa nwaanyị egwu. Nke a so n'otu ajọ agwa jupụtara na mahadum ugbua ma bụrụ nke o nweghị onye kpọrọ ya nnukwu nsogbu kwesịrị ka e lebara ya anya. A ga-eleba anya n'agụmagụ ndị a: *OkweAgbaala* na *Adaeze* wee mee nchọcha a.

**Atụtụnchọcha**

Atụtụ e ji mee nchọcha a bụ atụtụ ezi agwa.Atụtụ a bụ nke Jeremy Bentham na John Stuart Mill jikọrọ aka ọnụ tụpụta. Atụtụ ezi agwa bụ atụtụ na-akọwa ihe kpatara agwa ụfọdụ ji dị njọ, na-akọwakwa ihe kpatara mmadụ ga-eji kpaa agwa n'ụzọ pụrụ iche. Ọ bụ atụtụ na-enye aka ikpebi ma ihe mmadụ chọrọ ime ọ bụ ihe dị mma ka ọ bụ nke dị njọ. Atụtụ a dị mkpa n'ihi na ọ na-enye aka ịgbaziri ma ọ bụ ime ka mmadụ chemie uche ime, jụọ onwe ya ma ihe ya chọrọ ime ọ bụ ihe ziri ezi? Ọ bụ nke ga-abara onye ọbụla uru? Atụtụ a na-ekwu na tupu mmadụ emee ihe, ọ gbakọọ nke ọma mara ma ihe ahụ ọ chọrọ ime ọ bụ ihe ga-enye imirikiti mmadụ afọ ojuju na ọṅụ ka ọ bụ obere ọnụọgụ mmadụ ga-erite uru na ya. Ọgakwara n'ihu kọwaa na mmadụ ekwesịghị imejọ imirikiti mmadụ ka o wee meta obere ọnụọgụ mmadụ mma. Ọ bụrụ na nke a mee, a gaghị asị na onye ahụ kpara ezi agwa n'ihi na ezi agwa bụ mgbe ọtụtụ mmadụ ritere elele n'ihe mmadụ mere.

**Ndụ mahadum n'akwụkwọ ndị a họọrọ**

Dịka e kwuru na mbụ, mahadum bụ obere obodo. Nne na nna anaghị eso ụmụ ha ebi na mahadum. N'ihi nke a, nwata ọbụla nọ na mahadum bụ nne na nna onwe ya, o nweghị onye na-asị ya mee nke a ma ọ bụ emela nke a. Ọ na-eji aka ya kpebiere onwe ya ihe ọ ga-eme na ihe ọ agaghị eme. Ọ bụ ụdị ọnọdụ a kpatara na o nweghị onye nọ na mahadum bụ nwata. Ọ bụkwa ya kpatara mpụ ji arị ibe ya elu na mahadum. Ndị nkuzi na ụmụ akwụkwọ ha na-achị nọ n'agha onye ga-abụ isi n'ihi na nwata akwụkwọ ekweghịzị

na onye nkuzi ya bụ isi. Ajọ ndụ a ga-arụtụ aka n'edemede a dịka ndụ a na-ebi na mahadụm bụ onye nkuzi ịkwasa nwata akwụkwọ iko n'ụdị ọbụla iji nye ya akara ruru ya maọbụ nke erughịrị ya,otu nzuzo na mpụ ule. Ezi ndụ a ga-arụtụ aka n'edemede a dịka ndụ a na-ebi na mahadum bụ nwata akwụkwọ nwaanyị ịlụta ezigbo dina mahadum n'ihi ezi agwa ya.

**Onye nkuzi ịkwasa nwata akwụkwọ nwaanyị iko dịka ọ dị n'akwụkwọ a hoọrọ**

N'afọ 2019, ụlọ mgbasa ozi BBC mere nchọcha miri emi na mahadum Gana na mahadum Legọs nke dị na Naịjirịa. Ha zipụrụ nwa agbọghọ onye Naịjirịa aha ya bụ Kiki Mordi na ndị ọzọ ka ha ga mee nchọcha na mahadum ndị a a kpọrọ aha, chọpụta ndị nkuzi aka ha dị n'ịkwasa ụmụakwụkwọ iko maka inye ha akara ruru ha maọbụ nke erughịrị ha. Mgbe ha mechara nchọcha ha, mahadum Gana chụrụ Paul Kwame Butakor, onye a ma ama dịka onye nkuzi na-akwasa ụmụakwụkwọ nwaanyị iko tupu o nye ha akara ruru ha maọbụ nke erughịrị ha n'ọrụ, ebe mahadum Legọs chụrụ Boniface Igbeneghu, onye a chọpụtara na ọ na-akpa ụdị agwa ahụ n'ọrụ.Ọnọdụ a na-emetụtakarị ụmụ akwụkwọ ụmụ nwaanyị nọ na mahadum.

Mahadum na-anabata ma onye ukwu ma onye nta. Ọ bụ ebe ụmụnne ga-anọ ihe dịka ọnwa atọ ma ha agaghị ahụ onwe ha anya. Tupu onye ọbụla abata na Mahadum, nne na nna onye ahụ ga-adụ ya ọdụ nke ọma. E bu n'obi na ihe a ga-agwa nwata ahụ ga-enyere nwata ahụ aka iji bie ezigbo ndụ na mahadum.Mpụ a nwere ike si n'aka nke nwaanyị.Ụfọdụ ụmụ nwaanyị bụ ọnwụnwa dịịrị ụmụ nwoke. Ha na-ekwu ya etu o si dị ha n'obi. Ha anaghị eche ihe ha na-ekwu eche tupu ha ekwuo.

N'*Okwe Agbaala*, odee gbara mpụ na-eme na mahadum Obinọzara n'anwụ. Akwụkwọ a bụ maka otu onye nkuzi mahadum aha bụ Dọkịta Emezịna. Ọ bụ onye nkuzi na ngalaba Ọdịnala na Ewumewu na mahadum ahụ. A ma onye nkuzi a dịka onye hụrụ ọrụ ya n'anya ma na-arụsi ya ike. A makwa ya dịka onye na-ezochi akwụkwọ ule ya ike ka ụmụakwụkwọ ghara ịhụ ganye na e ruo ụbọchị a ga-ele ule ahụ. Niihi nke a, otu nwata akwụkwọ nwaanyị aha ya bụ Chinyere, gara nwaa ya. Ọ sị na ike ya ji agụ akwụkwọ ka ya wee gafee n'ule Dọkịta Emezịna adịghị ya.

Ọ gakwuuru Dọkịta Emezịna rịọ ya ka ọ gbanye ya izu ihe o dere ụmụ akwụkwọ ga-eji lee ule. O nweghị oge Dkt. Emezina ji sị ya bịa kama ọ ji aka ya gaa. Nwadike (1991:25) zipụtara ya otu a;

| | |
|---|---|
| Chinyere: | Dọk, ihe a anaghị ekwe m aghọta<br>biko gbapenyetụrụ m nwa izu,<br>aga m akwụghachi gị n'ụzọ nke m. |
| Dọkịta Emezina: | Ị gbanyere gị gịnị?<br>Izu n'ụdị dị aṅaa? |
| Chinyere: | Ihe I se… se… setịrị |
| Dkt. Emezina: | Ihe mụnwa setịrị n'ule<br>(Nupu Chinyere n'ahụ ya)<br>bịa nwaada, anya ọ dịkwa gị mma ?<br>I lekata nnọọ<br>anya ọ bụrụ mụnwa bụ Dkt. Emezina ka<br>ị bịara ọnwụnwa? Ọ pụtara na ị nụbeghị |

akụkọ m? Reputeshọ m? Ị makwa na anyị

bụ lekchọra nwere koodu ọfụ kọndọọktụ.

Ụmụnwaanyi! Unu esikarịala anya. O nwere nwoke nwere ike iche ụdị ihe a ma ya fọdụikwu ya ekwu?

Nke a bụ nwaanyi igosi na o nweghị ụjọ n'ụdị ọbụla nke o ji enwe nsọpụrụ. Nwata nwaanyị hiri asaa n'anya banye n'ụlọ ọrụ onye nkuzi ya ịgwa ya ụdị okwu a gosiri na o nwere ezigbo nchekwube na onye nkuzi ya ahụ ga-emerịrị ihe ọ chọrọ. Na Mahadum, n'oge ugbua, ụmụ nwaanyi ụfọdụ fooro ntutu taa na ha ga-na etinyerịrị ndị nkuzi n'ọnwụnwa iji nweta ihe ha chọrọ.

Mgbe ọ hụrụ na onye nkuzi ya ekwetewela n'ihe ọ na-ekwu, ọ sị ya ka ha hụ na be ya. Chinyere maara na o nweghị nwoke ya ga-arịọ ihe, ọ ghara imere ya ihe ọ chọrọ. Ọ bụ ya kpatara na n'agbanyeghị na Dọkịta Emezina na-egosi na ihe ọ na-ekwu anaghị amasị ya, ọ kachie ntị na-ekwu ihe ọ na-ekwu. N'uche ya, o nwere ike chee sị na ọ bụrụ na ihe ọ na-ekwu amasịghị ya chaa, ya baara ya mba ka ya pụọ. Ma ebe ọ bụ na o jighị olu ike agwa ya okwu, o gosiri na okwu ya na-adaba. Nwadike (1991:25) zipụtara ya otu a;

| | |
|---|---|
| Chinyere: | A sị na i kwere meere m ihe m na-arịọ<br>gị kamgbe, e nwere onye gaara anụ mkpọtụ |
| Dọkịta Emezina: | Ị makwa ihe m chọpụtara mgbe ọ bụla ụmụ<br>nwaanyi na-ebe akwa, mgbe ahụ ka mma<br>ha na-apụta ihe. Mgbe ahụ ị na-edesịsị anya<br>mmiri ka m chọpụtara na ị bụkwanụ asa. |
| Chinyere: | Onye arụrụ ala! (kụchara Dkt Emezina) ọọ ihe<br>ị na-ele? |
| Dkt. Emezina: | Gịnị dị ka ị sị na-egbu gi?<br>Gịnị dị ka ị si m mee emee? |
| Chinyere: | Bịa ka anyi gaa n'ụlọ m nọrịa |
| Dkt. Emezina: | Hei! O wetukakwanụ<br>Lekchọra ịgawa n'ụlọ nwa akwụkwọ.<br>Onye gị na ya bi batakwanụ? |
| Chinyere: | E nwere ihe o mere? Ngwanu bute moto<br>ka anyi gbada na Hotel de Jeneral Isi ewu<br>ebe ahụ ọ dịkwa mma? |
| Dkt. Emezina: | Ọ dị mma, daalụ maka nke a |

Na nzipụta a, e gosiri na n'eziokwu nwata nwaanyi a maara ihe ọ na eme. Dọkịta Emezina daghachiri azụ na nkwenye ya dịka onye nkuzi maara ihe ọ na-eme. Ọ makwaara na ọ bụ nnukwu mweda ala dịrị onye nkuzi mahadum chọọrọ nwata akwụkwọ nwaanyi gawa n'ụlọ ya. Nke a gosiri na onye nkuzi ọbụla daghachiri azụ n'ọrụ dịka onye nkuzi hiri asaa n'anya wee mee otu a. Mgbe onye nkuzi kwesịrị ịnọ n'ogogo dị elu buturu onwe ya n'ala, nọrọzịa na be nwata akwụkwọ ya, ihe ọbụla ọ hụrụ ebe ahụ bụ oke ya. Chinyere maara na

ebe Dọkịta Emezina nọ na be ya, na ọ ga-eme karịa ka ọ chọrọ. Oge Dọkịta Emezịna ruru be Chinyere, ọ hụ nwata akwụkwọ nwoke ọzọ aha ya bụ Odezuruigbo, onye nke a ma dịka nwata akwụkwọ na-agụsi akwụkwọ ya ike. Ọhụhụ ọ hụrụ Odezuruigbo adịghị ya mma n'obi niihi ya o kpebie na ya ga-akwatu ya n'ule digrii iji gosi ya nkarị.

Dkt. Emezina weere akwụkwọ ule nye Chinyere sị ya na ọ bụ 'tọp sikiriiti', o doro anya na Chinyere aghaghị igosi ụmụ akwụkwọ ibe ya na ya agaghị agụ akwụkwọ ya, n'ihi na o nwere ihe gbara ya ume. Nwadike (1991:28) zipụtara ya otu a;

| | |
|---|---|
| Chinyere: | Laịbrarị? Laịbrarị ọ na-agwa mmadụ ihe |
| | ọ ga-aza ? Ha gbuwenu oge ebe ahụ |
| | omenala na ewumewu Dkt. Emezina anaghị |
| | agụta ya na laịbrarị. |
| | O nweghị ihe m ga-ekwu |
| | ọọ ka ụbọchị ruwe eruwe |
| | ma m edeghị ya 'A'… |
| Ozuruigbo: | Odogwu nwaanyi |
| | ọ dị m ka i liwere ehi gi n'osisi siri |
| | ike… |

O nweghị nwata akwụkwọ hụrụ akwụkwọ ule ọ na-akwado ile ga-ekwe gụ akwụkwọ ya ọzọ. Ihe ọbụla ọ ga-agụ ga-abụ ihe niile dị n'akwụkwọ ule ahụ. Chinyere enweghizi ihe ga-akpọli mmụọ ya ịgụ akwụkwọ ya n'ihi na Dkt. Emezina emeela ka ọ dịrị ya mfe. Ọ bụ etu a ka mpụ si abawanye na mahadum ugbua. Ohi akwụkwọ ule so n'otu ihe na-ata mahadumugbua ka ọ tagbuo. Dkt. Emezina emeela ihe Chinyere chọrọ, ugbua bụ oge Chinyere ga-eme nke Dkt. Emezina chọrọ. Ụgwọ ọrụ ya bụ ịkpọ ya ga n'ụlọ nkwari. Lee nzipụta aNwadike (1991:27);

| | |
|---|---|
| Dkt. Emezina: | Ngwanụ, ị kwadogonu |
| Chinyere: | Ozugbonu, ndị nkịta ga-agbọ ụja na Họtel |
| | na Jeneral isi ewu ugbua bụ anyị |

Nke a gosiri na onye nkuzi a na nwata akwụkwọ ya bụ ndị ahịa. Onye meere onye a, onye a emeere ibe ya. E lee anya na nzipụta a a ga-ahụ na emem mma onye nkuzi a meere nwata nwaanyị bụ naanị nwata nwaanyị ka ọ dabaara. Nke a pụtara na ebe ọ bụ na ọ bụghị ụmụ akwụkwọ niile ga-erite uru na ya, ọ bụghị ezigbo agwa. Oge rịzọlt ule e lere pụtara, Ozuruigbo dara ule ahụ mana niihina ọ maara na ọ ma ihe o dere n'ule, o kwetaghị na rịzọlt e nyere ya bụ nke ya. O degaara sinet ụlọakwụkwọ mkpesa ya. Ka sinet tulechara mkpesa o kpesara, ha kpebiri ka a tụọ Dọkịta Emezịna nga, kwụsị ya ọrụ ma nye iwu ka a kagbuo rịzọlt Chinyere ma chụọ ya n'ụlọakwụkwọ

**Mpụule**

Nke a bụ mgbe akwụkwọ ule, ihe ọbụla ụlọ akwụkwọ wepụtara dịka ngwa ọrụ a ga-eji lee ule bara n'aka onye o kwesịghị ka ọ baa. O nwere ike ịbụ onye nkuzi ga-ewere akwụkwọ ahụ nye nwata akwụkwọ n'ihi ihe nwata akwụkwọ ga-enye ya. O nwekwara ike si n'aka ndị e nyere akwụkwọ ahụ ka ha dowe ma ha edoweghị ya nke ọma. Ọnọdụ a ga-eme ka ajụjụ ule, nke kwesịrị ịbụ ihe a ga-eji mara ma nwata akwụkwọ ọ mụtara ihe a kụziiri ya ma bụrụkwa nke nwata akwụkwọ ekwesịghị ịhụ ruo ụbọchị a ga-ele ule ahụ, ruo

ụmụ akwụkwọ aka tupu ule amalite. Ọnọdụ a ga-eme ka ule ahụ daa mba. Tinibu (2018:1) kọwara na mpụ ule dịka aghụghọ n'ụdị ọbụla mgbe a na-ele ule. Aghụghọ a nwere ike si n'aka onye nkuzi maọbụ n'aka nwata akwụkwọ. Ọ gara n'ihu depụta ụdị mpụ ule e nwere. Ha bụ ideghari ihe onye ọzọ dere n'akwanyeghịrị onye dere ya ugwu dịka onye mbụ dere akwụkwọ ahụ kpọmkwem, ịtụ asị n'ihe a sị ka e dee, inye aka azụ maka ule na ime ihe ga-eme ka onye ọzọ ghara ịgafe n'ule.

N' *Adaeze*, odee gbara mpụ ule n'anwụ. Adaeze bụ isi agwa n'agụmagụ ahụ bụ nwata a maara na ụbụrụ ya dị nkọ ma bụrụ onye na-agba onye nke mbụ n'ule ọbụla. Otu oge e lechara ule, ọ chọpụta na ya agbaghị onye nke mbụ dịka o si agba na mbụ. E nyere iwu ka a gbaa mbọ chọpụta ebe ihe si mebie. Nwadike (1998:35) sị, 'Ọ bụ otu onye nkuziaha otutu ya bụ Opigwe onye hụrụ maka idepụta aha ndị klaasị ha n'ule ahụ bụ ya nyụrụ ihe na-esi' Onye nkuzi a nwere otu nwata akwụkwọ ọ hụrụ n'anya mere o ji denyere nwata akwụkwọ ahụ akara o kwesịghị inwe, nke a mere ka Adaeze gbaa onye nke abụọ na klaasị. Ihe a wutekwara ya nke ukwuu. Ihe nke a pụtara bụ na oge ọbụla onye nkuzi dara n'ọrụ ya dịka onye nkuzi n'ụdị ọbụla, o nwere onye ọ ga-emetụta, o nwere onye ga-ata ahụhụ ya. Ụmụ akwụkwọ ndị ahụ gụrụ akwụkwọ ha nke ọma ma nwee okwukwe na ha lee ule ahụ na ha ga-edeta ihe enweghịzị olile anya n'ihi na ndị agụghị akwụkwọ na-agafe n'ule. Nwadike (1998:77) n'ịkọwami mkpa ịkwụsị mpụ ule dị, sị, '…mgbe ntaramahụhụ ya biara, ya emetụta ma onye ukwu, ma onye nta, ma onye hụrụ ma onye ahụghị ya. N'eziokwu, otu mkpịsị aka rụta mmanụ, ya ezuo ibe ya ọnụ'.Adaeze bụ nwata e ji ụbụrụ dị nkọ mara. Onye ọbụla ma na azịza ya n'ule na-adị ka o nwere ebe o si nyota dee. Nwadike (1998:80) dere;

> O were Okeke na Okafọ anya na azịza ya na-adị ka
> Ihe e lere anya n'akwụkwọ dee nke mere na a nọkata
> Gụnye ụlọakwụkwọha n'ekspo, mkpebi ndị na-eleba
> Anya n'akwụkwọ ya ga-abụ na azịza ya bụ ihe sitere
> N'ohi akwụkwọ.

Nke a bụ ezigbo ịma atụ ọghọm dị na mpụ ule. Mgbe ọ ga-enye nsogbu, ma onye ukwu ma onye nta ga-eketa oke na nsogbu ahụ. Mpụ ule jọgburu onwe ya, o nweghịkwa onye ọ baara uru. Adaeze mechara bụrụ nnukwu mmadụ, chie sista wee bụrụ onye obodo ji eme ọnụ. Ọ bụ eziokwu na nna ya akwadoghị ka a zụọ ya n'akwụkwọ niihina ọ bụ nwaanyị mana nne ya jisiri ike zụọ n'ụlọakwụkwọ.

**Otu nzuzo**

Nke a bụ ụdị ndụ ọzọ a na-ebi na mahadum na-ala ndị ntorobịa n'iyi eleghị anya n'azụ. Ọ kacha njọ n'ebe ụmụ akwụkwọ ndị nwoke nọ. Ha ji ya anya isi ma jiri ya na-eyi ndị anọghị n'otu a egwu. Ụfọdụ na-eji ya eyi ụmụ akwụkwọ ụmụ nwaanyị egwu nke ga-eme ka ha kweta sowe ha. Otu nzuzo enweghị uru dị na ya kama sọ ọghọm jupụtara na ya. Orji (2014:40) kwuru;

> Otu nzuzo bụzị okwu a kpụ n'ọnụ na mahadum
>
> Ndị oji abalị mere ehihie
>
> ọrụ ha bụ mkposa
>
> ịkwụgharị n'ụzọ ka ozu a kwaghị akwa
>
> Ebe ha na-achọ onye ha ga-eme ihe ọjọọ
>
> Naanị otu nzuzo bụ ihe m hụrụ

Nwere ọghọm ma uru adịghị ya

O nweghị otu e si tụlee otu nzuzo ka a hụ ihe ọma ọbụla n'ime ya. Ọ na-ewepụ mmadụ anya n'ihe bara uru o kwesịrị ime. Ndị nọ na ya anaghị enwe udo. Oge ọbụla obi ekoro ha n'elu, ha ana-ele anya n'azụ ka ha mara ma o nwere onye chọrọ igbu ha. Ụfọdụ n'ime ha anaghị agụrụ akwụkwọ n'isi n'ihi na e nwere ike chụọ ha n'ụlọ akwụkwọ tupu ha agụchaa. Dị ka odee si dee, '… nwere ọghọm ma uru adịghị ya', ihe ọbụla nwere uru na ọghọm, mana otu nzuzo nwere naanị ọghọm, n'ihi ya, nwata akwụkwọ ọbụla kwesịrị ịgbara ya ọsọ. Ihe ọjọọ ọzọ ọ na-ewetara ndị nọ na ya, bụ ọnwụ erughị eru, ajọ ọrịa nke na-esite n'ọgbụgba ndụ ọbara ha na-agba, na mmechu ihu. A tụlee otu nzuzo dịka atụtụ ezi agwa miri emi si kọwaa, a ga-ahụ na uru adịghị ya. Ihe ndị nọ n'ime ya kpọrọ uru bụ ihe igwe mmadụ katọrọ. Ihe nke a pụtara bụ na ndị anaghị erite 'uru' na ya karịrị ndị na-erite 'uru' na ya. Niihi nke a, onye ọbụla nọ n'otu nzuzo kwesịrị isepụ aka na ya niihina ọ bụghị ezi ndụ. Okediadị (2003:6) gara n'ihu kwuo;

Mahadum…

Ebe agụmakwụkwọ ka ọ bụ ebe otu nzuzo?

Ebe ndị Bukania, Paịretị, Obejiri ojii

Na ndị ọzọ na-azọ onye ka ibe ya….

Ndị nwoke atụfuola ndụ ha ma kwere ọnwụ

Ha chee onye nkuzi egbe n'ihu

Ha agafee n'ule

Ọ bụghị naanị ụmụakwụkwọ nwoke na-abanye n'otu nzuzo. ụmụ nwaanyị na-abanyekwa. Ụfọdụ na-abanye na ya niihi ụjọ ebe ụfọdụ na-abanye ka ha wee soro na ndị a ma ama na mahadum. Ebumnobi ọbụla nwata akwụkwọ ji banye otu nzuzo emeghị ka ọ bụrụ ezigbo ihe

**Ezi ndụ a na-ebi -na mahadum**

Dịka atụtụ ezi agwa miri emi si kwu, ihe ọbụla ọtụtụ mmadụ ga-erite elele na ya bụ ihe a ga-asị na ọ bụ ezigbo ihe. Ezi ndu a na-ahụ mahadum a ga-eleba anya bụ nwata akwụkwọ nwaanyị nọ na mahadum ịlụta ezigbo di.

**Nwata akwụkwọ nwaanyị nọ na mahadum ịlụta ezigbo di**

Dị ka e kwuru na mbụ, mahadum bụ obere obodo. Nwata akwụkwọ bụ nne na nna onwe ya. Ọtụtụ di na nwunye e nwere taa hụrụ onwe ha na mahadum. Ụfọdụ bụ ndị ndị nkuzi ha na mahadum hụtaara ụmụ ha maọbụ hụtaara onwe ha. O nwere ka nwata akwụkwọ nwaanyị ga-esi kpaa agwa ka onye si n'ezigbo ezinụụlọ, onye nkuzi ya ahụta ya dị ka nwata anya ruru ala ma dịkwa mma ọlụlụ. O nwere ike gwa onye nke ya na-achọ nwaanyị ọ ga-alụ ka o leruo nwata ahụ anya. Nke a mee, a sị na nwata ahụ gụtara asambo na ezigbo di na mahadum. Nne na nna nwata ahụ ga-esikwa n'ụzọ ahụ mata na nwa ha kpara ezigbo agwa n'ụlọ akwụkwọ. Na *Sọchima*, nwata akwụkwọ aha ya bụ Zimụzọ, onye nọ n'afọ nke atọ na ngalaba Nka na Ụzụ hụrụ otu nwata akwụkwọ nwaanyị nọ na ngalaba Mgbasa Ozi, kpebie na ya ahụla nwaanyị nwanne ya nwoke ga-alụ. Oranyelu (2002:49) sị, "Zim gwara nwata nwaanyị a ihe dị ya n'obi ma rịọ ya ka ọ bịa n'ezinụụlọ ha n'ihi na ọ ga-amasị ya ka onye dị ka ya bata n'ezinụụlọ ha".

Ọ bụ naanị ezigbo ihe ka mmadụ na-achọ ka o meere ya. Ọ bụrụ na agwa nwata a dị njọ, Zimụzọ agaghị achọ ka nwata ahụ bata be ha. Nwata nwaanyị ahụ mechara bụrụ

nwunye nwanne Zimụzọ, mụtara ya ụmụ atọ ma nye aka kpokọlata akụ ya. Iji kọwamie nke a, Oranyelu (2002:53) dere, 'ọ na-abụ ezigbo nwaanyị nọdebe nwoke, ma o riri, ma o righị, afọ eju ya'. Nke a bụ iji gosi na nwata nwaanyị mere ihe e ji maka ya were lụọ ya. Nke a bụ uru nwata a ritere n'ihi na, ọ gbadoro anya gụọ akwụkwọ ya nke ọma ma kpaa ezigbo agwa.

**Ihe e nwere ike ime iji belata ajọ ndụ a a na-ebi na mahadum**

Amulue (1994:15) mere ka a mata na 'a hapụ mpụ ka o tee aka, idozi ya etee aka' nke a pụtara na e kwesịrị isowe mpụ a n'okụ n'ọkụ. Mahadum aghọọla ebe onye ọbụla na-eme ka o si gụọ ya. O nweghị onye na-agbọ ibe ya ụja maọbụ dụọ ya ọdụ. Ọkammụta ekweghị ka ndị ka ya n'ọkwa gwa ya na etu o si akpaso ụmụ akwụkwọ agwa adịghị mma. Ọkammụta agaghị ekwe ka nwata akwụkwọ gwa ya na etu o si akpaso ya agwa adịghị ya mma. Nke a mere mahadum ji buru ọgbọ ọgụ.

Na gọọmentị tiri iwu na onye nkuzi mahadum ọbụla e jidere ka ọ na-akpaso nwata akwụkwọ ya agwa dị aṅaa iji nye ya akara ekwesịghị ya, ọ kachasị ụmụ akwụkwọ nwaanyi, ịchụ onye ahụ n'ọrụ, ezuchaghị oke. O kwesịiri ka e nwee ntaramahụhụ gbara ọkpụrụkpụ na-eche onye mere ụdị ihe a. Enuoyibo (2018:15) kwadoro nke a mgbe ọ sị na Onye nkuzi mahadum a chụrụ n'ọrụ n'ihi na ọ kpasoro nwata akwụkwọ nwaanyị agwa dị aṅaa, nwere ike inweta ọrụ n'obodo ọzọ ebe o nweghị onye ma ya. Ọ ka mma na a tụrụ onye dị otu a mkpọrọ, ọ pụta, isi ya adajuo, anya ya agaghị ahụzịkwa mpụ ma ya fọdụ itinye aka na ya.

O kwesịrị ka onye e jidere n'ụdị mpụ a nwee ihe ga-eme ya ka o hudaa. Ịnapụ ya ọrụ ya ezughi, o kwesịrị ka a tụọ ya nga mkpụrụ ọka. Ọ natachaa ntaramahụhụ a, ọ gaghị ekwe tinye aka n'ụdị mpụ a ọzọ. Deụter (2017:10) gara n'ihu kwuo na onye nkuzi mahadum kpasoro nwata akwụkwọ ya agwa ezighi ezi tupu o nye ya akara n'ule ekwesịghị ịbụ onye nkuzi ma ncha… e kwesịrị ịnapụ onye e jidere na mpụ a ọrụ na asambo niile o ji akụzi nkuzi ma gbaa mbọ hụ na o nweghị ụdị ọrụ ọbụla ọ ga-enweta n'ọdịnihu ga-enye ya ohere ịnọdeba nwata nwaanyị nso.

Onye a naara ihe niile ọ gụtara n'akwụkọ nọ ka onye dị ndụ ree ure. Nke a pụtara na onye ahụ ga-amalite n'isi gụwa akwụkwọ ma ọ bụrụ na onye ahụ ka ga-agụnwu akwụkwọ. Mana ọ bụrụ na onye ahụ agaghị agụnwuzi akwụkwọ, onye ahụ agbarala aka. Dike (2009:21) gbatiri ntaramahụhụ dịịrị onye dị otu a mgbe ọ sịrị na dịka onye nwere onye arụrụala ndị nkuzi iberibe a mere ihe, ana m ekwu na ndị nkuzi a kwesịrị ka a kpọga ha ebe a ga-enyocha ụbụrụ ha mara ma ha abụkwa mmadụ…nyọchaa ha mara ma ọ bụkwa otu e si kee ndị nkuzi na-akwanyere onwe ha ugwu ka e si kee ha….

A ga-esi n'olu odee ji kwuo okwu mara na ajọ agwa ndị nkuzi a metụtara onye nke ya nke ọma.N'ezie, ndị dị otu a kwesịrị ka a mara ma ọ bụkwa ihe dị ndị ọzọ n'ụbụrụ dị n'ụbụrụ nke ha. Ụmụ akwụkwọ ndị hụrụ onwe ha n'aka ndị nkuzi dị otu a, ọ kacha ụmụ nwaanyị, ndị a manyere amanya ime ihe onye nkuzi chọrọ na ndị enweghị ọnụ okwu nke ha ji enwe onye ga-ekwuru ha, na-ahụta onwe ha dịka ndị ezuchaghị oke. Ha na-ahụta onwe ha dịka ndị ihe funahịrị. Ha kwenyere na ebe onye kwesịrị iduzi ha, dufuru ha, ụwa enwekwaghizi isi. Ọ bụ nke a kpatara e ji kwuo na ndị nkuzi dị otu a ekwesịghị ịnọ ebe ha ga-anọdebe nwaanyị nso.

**Nchịkọta**

Otu ihe dị ịtụnanya n'isiokwu a bụ na mgbe ndị odee akwụkwọ agụmagụ e ji mee nchọcha a dere maka mpụ niile jupụtara na mahadum, e nwebeghị ọnụọgụ mahadum e

nwere taa. Mana, e legharịa anya, a ga-ahụ na ihe niile ha dere na-eme na mahadum taa. N'ihi nke a, a ga-asị na ndị odee bụ ndị amụma. E jirila atụtụ ezi agwa miri emi chọpụta na agwa ndị ahụ agaghị abara ọtụtụ mmadụ uru abụghị ezigbo agwa.

Ya mere na a tụrụ alo ka onye ọbụla na-eme etu a sepụ aka na mpụ. Ụmụ nwaanyị ụfọdụ ndị nkuzi ha kpasoro ụdị agwa a na-emechaa bụrụ ndị kpafuru akpafu. Ụfọdụ nwere ike jụ na ha agaghị alụzi di ebe ụfọdụ n'ime ha lụrụ di na-akpa agwa ka ndị uche ezughi ezu. Onye nkuzi Mahadum kpasoro nwataakwụkwọ ya agwa ezighi ezi wee nye ya akara erughịrị ya maọbụ nke ruru ya lara akwụkwọ ọ gụrụ n'iyi. Gọọmentị, kwesịrị ịgbado ụkwụ n'ala tie iwu ga-eme ka ndị na-akpa ụdị agwa akwụsịrị ya ozigbo ma gbaa mbọ zulite ụmụ ha n'egwu Chukwu. Nne na nna kwesịrị ikuziri ụmụ ha etu ha ga-esi na-akwụ n'eziokwu oge ọbụla ma bụrụ ndị na-ekwu uche ha n'atụghị egwu mmadụ. Nke a bụ n'ihi na ọ bụrụ na nwata akwụkwọ nwaanyi nwee ike ikwu okwu oge ọbụla ọ hụtara onwe ya n'ọnọdụ mmekpa ahụ n'atụghị egwu ọbụla, ọtụtụ mpụ na arụrụala dị ugbua ga-ebelata.

## Edensibịa


Amulue, O.E. (1994). *Theuniversity: an independent City* . Enugu: Snaap

Azigbo, T. (2014). *The right attitude*. Onitsha: Open Page Publishers

Azigbo, T. (2010). *Life and kampus*. Onitsha: Open Page Publishers

Deụter, J.E. (2017).*Sexual abuse in universities*. E si na http//www.MIIT.orgnweta nke a ka ọnwa Jenụwarị afọ 2020 dị na mkpụrụ ụbọchị iri na asaa

Dike, S.T. (2009). *The mind of an abused child.* Ibadan*:* Pacific Books

Enuoyibo, T. (2018). *Inside the institution.* Ibadan: Elim Publishers

Foo, K. (2019). The three types of people to avoid in the university. E si nahttp://www.karen-foo.comnweta nke a ka ọnwa Maachị afọ 2020 dị na mkpụrụ ụbọchị iri

Ifeka, O.(2010).'Mahadum'. N'Ifeka, O., Nsolibe, O & Ezechukwu, T. (Ọhz.). *Izunwanne* (Anthology of modern Igbo Poetry). Onitsha: Perfect Image

Mezie-Okoye, N. O. (2014). 'Womens' health and fundamental human rights'. Na*Journal of civic education and fundamental rights.* Vọl. 6. No.3 ihu 20-41

Nwabufo, U. M.(2010). 'Behavourial changes in women'. Na*Journal of nutrition and womens' health*, vọl. 2 No. 8 ihu115-123

Nwadike, I. (1998). *Adaeze.* Obosi: Pacific Publishers

Nwadike I. (1991). *Okwe agbaala.* Lagos: Macmilian

Okedịadị, N. (2003). *Ijeụwa*. Nsukka : Fulladu Publishers

Oranyelu, O. (2002). *Sọchima.* Ibadan: Crystal Publishers

Oranyelu, O. (2014). *Change the system: Change the university*. Enugu:Crystal Publishers

Orji, S. (2014). 'Mahadum'. N'Ifeka, O. (Ọhz.) *Ibeene* (Anthology of Contemporary Igbo Poetry). Onitsha: Perfect Image

Osunkwo, E. (2010).*Foundation for university students* . Enugu: Elite Publishers

Tinibu, S. (2018). 'Examination malpractice: Things every Nigerian student should know'. E si na https//www.legit.ng nweta ka ọnwa Jenụwarị afọ 2021 dị na mkpụrụ ụbọchị iri abụọ na iteghete.